View metadata, citation and similar papers at core.ac.uk

brought to you by CORE

provided by AJOL - African Journals Online

# NTỤLE MBỤRỤ METỤTARA NZUZU NA NSIRIHỤ NDỊ IGBO: MGBAZI AKPARAMAGWA NDỊ ỌCHỊCHỊ

**Florence Uju Ibeh***

http://dx.doi.org/10.4314/og.v15i1.8s

## Abstract

This paper focuses on various Igbo metaphors that are centred on foolishness and how they can serve as tools for remoulding leadership at various levels. The writer intends to find out those metaphors relating to foolishness in Igbo people's belief and how they can be used in correcting abnormal attributes of some leaders whom the people see as performing below expectations. The writer notes that some states in the country are having some challenges with regard to non-payment of workers' salaries, unhealthy environment, insecurity of lives and properties of the people, poor maintenance of infrastructure and so on as a result of bad leadership. The need to address these problems aroused the interest of the writer. The data collected are from secondary sources such as libraries and online platforms. The approach used for the work is survey method. The work adopts two theories namely, the Use Theory and Cognitive Linguistics Theory. The writer examined the characters of bad leaders in metaphorical relationship to animals in Igbo belief system. The findings of this work are that the leaders, based on their characters are identified in the metaphors as wolves, snakes, pythons, tortoise and so on. The animals have different characteristics which include gluttony, greed, slothful, pride, cunning and so on. The paper will be useful to the leaders and those who aspire for leadership, scholars who have interest in topics relating to this subject matter and researchers in this area. The significance of this paper is that people will have a change of manner in the course of selecting their leaders. The writer suggests that in choosing a leader, efforts should be made to see that the person is well known to the entire populace and should be a person of unquestionable character like the ones mentioned here.

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na mbụrụ dị iche iche metụtara nzuzu na ka a ga-esi jiri ha gbazie akparamagwa ndị ọchịchị n'ogo ọ bụla. Odee chọrọ ịchọpụta mbụrụ ndị ahụ metụtara nzuzu n'echiche ndị Igbo na etu a ga-esi jiri ha gbazie akparamagwa ndị ọchịchị a hụtara ka ha amaghị achị. Ihe kpalitere nchọcha a bụ na odee hụrụ ka ụfọdụ obodo na steeti dị n'ala Naịjirịa si enwe nsogbu dị iche iche dị ka iji ndị ọrụ ụgwọ, adịghị ọcha obodo, enweghi ezi nchekwa ndụ na akụnụba, enweghị ezi nchekwa akọrọnwa na mmepe dị ka o si kwesị, ka odee jiri bagide ime nchọcha n'isiokwu a. Nka e jiri mee nchọcha bụ ederede nke bụ nchọpụta site n'ọba akwụkwọ dị iche iche na ọwa ikuku. A gbasoro usoro sọvee wee mee nchọcha a. Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ Njirime na atụtụ Ncheke. Odee tụlere ajo akparamagwa ụfọdụ ndị ọchịchị dị ka o si metụta mbụrụ na-akọwa anụ nzuzu na nsirihụ ndị Igbo wee chọpụta na ụfọdụ ndị ọchịchị bụ agụowu, ụfọdụ bụ agwọ, ụfọdụ bụ torotoro, ụfọdụ bụrụ eke, ogwumagala na anụ ndị ọzọ. Anụ ndị a nwere agwa dị iche iche ndị gụnyere oke oriri, anyaukwu, pride, adịghị nkọ, aghụghọ na ndị ọzọ. Nchọcha a ga-abara ndị ọchịchị ma ndị nwere mmasi ịchị ọchịchị uru, ndị nwere mmasị ime nchọcha n'ihe gbasara isiokwu a na ndị na-eme nchọcha na ngalaba a. Ọ ga-enyekwa aka igbazighari usoro ndị mmadụ na-agbaso n'ịhọpụta ndị ọchịchị. Aro odee bụ na onye ọchịchị ọ bụla a ga-ahọpụta ga-abụ onye a maara nke ọma, onye enweghị agwa a na-enyo enyo gụnyere agwa ndị arụtrụ aka ebe a.

## Mkpọlite

Asụsụ bụ ụzọ doro anya mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Ọ bụkwa ụzọ mmadụ si ezipụta ihe o bu n'uche. Okwu a bụ asụsụ dị n'iche n'iche site n'otu agbụrụ ruo na nke ndị ọzọ. Otu ihe doro onye ọ bụla anya bụ na asụsụ niile nwere echiche, mana mpụtara echiche bụ ihe hịara ndị mmadụ ahụ ịkọwa maka na otu okwu na-enwe ọtụtụ echiche site n'otu asụsụ ruo n'asụsụ ọzọ. N'ihe gbasara echiche, e nwere nke nhụrụnanya na nke nhụrụnuche. Mbịakọta echiche nhụrụnanya na nke nhụrụnuche ka e si nweta ihe a kpọrọ nsara echiche. Nsara echiche dịka Fauconier onye tụpụtara ya si kọwaa bụ atụtụ nke na-akọwa etu e si eji ihe a na-ahụ anya were na-aghọta ihe a naghị ahụ anya.

Mbụrụ dị ka o si dị n’asụsụ ncheke na-eji ihe ndị a na-ahụ anya na-akọwa ihe ndị anaghị ahụ anya. Nke a mere na mbụrụ na-eji otu ihe amado n’ihe ọzọ nke enweghị agwara ya. Ndị mmadụ ụfọdụ emeela nchọcha n’ihe gbasara mbụrụ n’obodo dị iche iche nke ụfọdụ n’ime ha bụ nsara echiche nye mbụrụ metụtara anụ nsọ n’Anambara, Iji mbụrụ n’atụtụ nhụta echiche wee tụlee amụmamụ echiche ngwaa ‘se’, ‘kwa’, ‘gwa’ dgz ma nchọcha nke a na-eme ebe a dị iche na nke e merela. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na mbụrụ metụtara nzuzu na nsriihụ ndị Igbo dị ka ihe mgbazi akparanagwa ndị ọchịchị. Odee nyochakwara ọtụtụ agụmagụ ndị metụtara isiokwu a. Ụfọdụ agụmagụ ndị odee nyochara bụ ndị metụtara mbụrụ, nzuzu, ọchịchị na abụ ikpe dị iche iche tụmadụ ndị kọchara ọchịchị na ndị ọchịchị. O si n’abụ ndị a na ihe ndị ọ hụtara na gburugburu ala Naijirịa gbasara ọchịchị kpebie na ọtụtụ ndị ọchịchị anaghị emetacha ya dị ka e si chọọ. Ajọ Ọnọdụ ọchịchị wee na-eme ka ndị mmadụ nọrọ na nwute. Ọ bụ ihe ndị a wulitere mmụọ odee ịbagide nchọcha dị otu a. Mbunuche odee bụ ịchọpụta echiche mbụrụ dị iche iche metụtara nzuzu na ka a ga-esi jiri ha gbazie akparamagwa ụfọdụ ndị ọchịchị n’ogo ọbụla. A ga-esite n’echịche mbụrụ ndị a chọpụtakwa ụdị ndị ọchịchị a na-arụgakwara aka ka ọ bụ ndị ọchịchị niile.

Dị ka o si kwesị, odee wepụtara ajụjụ nchọcha ndị a: Kedụ ụdị echiche mbụrụ nwere ike izipụta n’asụsụ Igbo? Kedụ echiche mbụrụ ndị metụtara nzuzu kpọmkwem na nke metụtara ezi akparamagwa? Kedụ ka a ga-esi were echiche mbụrụ nzuzu ndị ahụ gbazie akparamagwa ndị ọchịchị? Olee ndị ọchịchị echiche mbụrụ nzuzu ndị ahụ na-arụgara aka? kedụ agwa e ji ama ezi onye ọchịchị na ajọ onye ọchịchị?

Nchọcha a ga-abara ọtụtụ ndị uru ma ndị ọchịchị ma ndị nwere ebumnobi ịchị ọchịchị. Ọ ga-abakwara ndị nwere mmasị ime nchọcha n’ihe gbasara isiokwu a uru n’ọdịnihu tụmadụ ebe ọ gbasaara mbụrụ n’asụsụ ncheke na mbụrụ n’agụmagụ. Ọ ga-abụkwa ihe uru n’ebe ndị nkuzi na ndị ụmụakwụkwọ na ngalaba asụsụ na omenala Igbo nọ. Ụdị nka e jiri mee nchọcha a bụ nchọcha ederede nke bụ nchọpụta sitere n’ọba akwụkwọ.

## Ntụleghari̩ Agụmagụ

N’ebe a, odee ga-atụle agụmagụ dị iche iche metụtara isiokwu ọ na-ede maka ya iji hụ ebe ọ ga-agbakwasa ukwụ maka ime nchọcha ya.

**Nkọwa Isiokwu**

Na mpaghara a, odee ga-atụle nkọwa ndị mmadụ dị iche iche merela n'ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha a. Ọkpụrụkpụ okwu ndị ahụ a ga-atụle ebe a bụ mbụrụ, nzuzu na ọchịchị.

**Mbụrụ**

Mbụrụ bụ otu n'ime atụmatụokwu n'asụsụ Igbo. Halupka-Resetar na Radic (2003) kọwara ya sị na ọ bụ atụmatụokwu e ji atụle ma na-aghọta ihe abụọ enweghị ka ha si yie onwe ha site n'iwepụta agwara zoro ezo ha abụọ nwekọrọ. Nkọwa mmadụ abụọ ndị a na-egosi na mbụrụ bụ ihe a na-eji nhụrụnuche aghọta karịa iji nhụrụnanya. N'otu aka ahụ, Radden (1999) kọwara mbụrụ dị ka mgbe asị na mmadụ, ihe maọbụ ebe bụ ihe ọ bụghị n'ihi na ha abụọ nwekọrọ otu agwara ndịnime. Ihe nkọwa nwoke a na-egosi bụ na ọ bụghị naanị mmadụ bụ nchụta mbụrụ kama ihe ọ bụla nwere ike ịbụ isiokwu ma ọ bụ nchuta mbụrụ.

Mbụrụ dị ka Mba na Mbah (2014) si kọwaa bụ otu n'ime atụmatụokwu nke na-esikarị ike ịghọta. Mana site n'ihe mmadụ maburu, nwaafọ asụsụ ọ bụla na-aghọta ya n'egbughị oge. Ha kọwara na a sị na mmadụ bụ mbe, na 'mbe' na 'mmadụ' abụghị otu. Nke a na-akpata na mmadụ ga-echega echiche na agwara mbe. Ya bụ mmadụ ahụ nwere agwara mbe. Agwara mbe na nsirihụ ndị Igbo bụ aghụghọ. Saeed (2003) bụ onye gbakwara mbọ n'ileba anya n'ihe mbụrụ bụ. O kwuru na e lebara mbụrụ anya n'ụzọ ọdịnala dị ka ihe ọrụ ya kacha n'ime atụmatụokwu e ji asụ asụsụ. Na nkọwa ya, ọ sị na mbụrụ na-enyere aka ịghọta otu ihe dị ka ihe ọzọ.

Ndịmele (2007) na nkọwa nke ya sịrị na mbụrụ dị ka myiri maka na ha abụọ na-atụle etu ihe abụọ dị. Ihe dị iche dị na ha bụ: myiri na-asị na otu ihe dị ka ihe ọzọ ma mbụrụ na-asị na otu ihe bụ ihe ọzọ kpọmkwem. Ka o sila dị, nwanchọcha kwenyere na nkọwa niile e mere na mbụrụ. Ọ chọpụtara na mbụrụ bụ okwu miri emi nke a chọghị ka mmadụ mata n'echemighi echiche ime. N'uche ya mbụrụ bụ atụmatụokwu nke na-eji otu ihe amado n'ihe ọzọ enweghị agwara ya iji kọwata ka ihe a na-ekwu si akpa agwa. Mbụrụ chọrọ echiche miri emi. Ọ na-ekwu etu ihe dị kpọmkwem, ọ naghị eji ihe ọzọ atụnyere ihe. Ọmụmaatụ1: 'Obi bụ nwaanyị.' Nke a pụtara na ike adịghị Obi nke bụ agwara e ji mara nwaanyị.

**Nzuzu**

Nzuzu bụ ihe kwesịrị nkowa dịka o si metụta isiokwu a. Nnaji (1995) kọwara nzuzu dị ka enweghị uche ịghọta ihe ngwangwa. Ya bụ onye uche ya ezuchaghị ezu nke na-apụta ihe n'akparamagwa mmadụ. Onye nzuzu dị ka o si kọwaa bụ onye agaghịnwu e ji uche ya menwuo ihe o kwesịrị ime na mgbe o kwesịrị ime ya.

Echeruo (2001) kwuru na nzuzu bụ mmegheri, mkpọkwu na amaghị ihe. Nke a pụtara na onye amaghị ihe bụ onye nzuzu. N'ịga n'ihu, Onwudufo (2013) kpọrọ nzuzu iberibe nke ọ kọwara na ọ bụ ọrịa ma onye ọ dị n'ahụ anaghị ama. O ji ọtụtụ ilu kọwapụta nzuzu nke otu n'ime ha bụ onye nzuzu maọbụ mmadụ iberibe na-achụ oke mgbe ụlọ ya na-agba ọkụ. Ọ kọwara na onye na-azọ onye nzuzu, isi na-abụ ya aja aja. Nwanchọcha na-etinye nke ya na onye nzuzu bụ onye amamihe kọrọ. Onye enweghị ike iji akọnuche ya chepụta maọbụ mepụta ihe ziri ezi.

**Ọchịchị**

Ọchịchị bụ mmadụ inwe ikike dị ka onye nlekọta. Ndị a na-achị bụ ndị a na-edu edu. E nwere ike ịsị n'ọchịchị bụ mmadụ iweghara ọnọdụ ka onye isi n'ime otu ma na-emejupụta ebumnobi otu ahụ. Onye ọchịchị ga-enwe ikike e ji achị ọchịchị. Ọ ga-enwe mmụọ e ji achị ọchịchị nke ga-eme ka ndị ọ na-achị nwee ike ịdị na-eso ya ma soro ya na-atụta aro etu ihe ga-esi dị mma n'ọchịchị ya.

Ụkaegbu (2005) kọwara ọchịchị dị ka usoro e si akọwapụta ma na-edo anya uru na ịkwụba aka ọtọ bara tinyere ime iwu n'usoro iwu. Nke a na-akọwa na onye ọchịchị ga-abụ onye maara ọrụ ya ma kepụta iwu na usoro a ga-agbaso n'idebe iwu ndị ahụ. Amụcheazị (2006) na aka nke ya kọwara na onye ọchịchị ọdịnala bụ onye ndu obodo ya. Ọ na-atụpụta atụmatụ maka agamnihu ndị ọ na-achị. Ya na ndị aka ya na-agba mbọ nchekwaba na ịzọ ndị ọ na-achị. Ọ na-emekwa ka ndị ọ na-achị na-erubere ọdịnala ha isi ma na-achịkọbakwa ndị ntorobịa na ndị otu ọgbọ dị iche iche maka ọrụ obodo. Nke a bụ maka ọchịchị ọdịnala mana a ga-ejikwa ya tụnyere ọchịchị n'ogo ọ bụla.

Dodo (1983) kpokọtara ihe niile e ji ama ezigbo onye ọchịchị ọnụ dị ka: onye maara ahazi, na-eṅomi ihe a na-eme dị mma ma na-achọkwa mmekọrịta ndị mmadụ iji hụ na o tinyere n'ọrụ ihe ndị ahụ

o ṅomitere. Ọ gara n'ihu kwuo na onye ọchịchị bụ onye na-ewulite obodo ọ na-achị na ọ bụghị onye na-ekposa ekposa.

Mgbodile (2004) gbatịkwuru echiche a site n'ikwu na akanka ọchịchị n'ụzọ dị nke nke bụ usoro dị iche iche ma ọ bụ agwa onye ọchịchị tụpụtara o ji chọọ i rụtụrụ ụzọ ebe atọ dị mkpa aka ma metụta ibe ya n'ọchịchị. Ụzọ ebe atọ ndị ahụ gụnyere: ndị mmadụ, ọrụ a na-arụ na ihe e ji arụpụta ọrụ ka e were nweta ihe a na-achọ maka agamnihu obodo.

**Nchọcha E Merela n'Isiokwu**

Ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha n'ihe gbasara isiokwu a. Sjostrom (1999) mere nchọcha ebe ọ kọwara ụbara echiche mkpụrụokwu nwere (ngwaa, aha na nkọwa) o tinyere ya na nke a hụrụ anya n'asụsụ Swedish. O ji ihe ndị ọ tụlere wee chọpụta na e nwere ihe nhụrụnanya na nke nhụrụnuche. Ihe o ji maa atụ bụ 'ọkụ' nke mbụrụ ya na-egosi 'mmụta' nke na onye enweghị ọkụ gosiri na o nweghị mmụta. Nchọcha ya yitere nke a na-eme maka mbụrụ na echiche ọ na-egosi ma ọ dị iche maka na ọ gbadoro ụkwụ na nkejiasụsụ ngwaa aha na nkọwa.

Umezi (2017) mere nchọcha na anụ nsọ n'obodo dị iche iche n'Anambara. Mbunuche ya bụ, ihe obodo ndị a ji asọ ya na mbụrụ metụtara anụ ndị ahụ n'echiche ndị Igbo. O mejupụtazịrị ebumnobi ya site n'ịchọpụta anụ nsọ dị iche iche, obodo na-asọ ha na ihe kpatara ha ji bụrụ anụ nsọ. O zipụtara mbụrụ metụtara anụ nsọ ndị a. Enwe na-egosi onye na-arị elu nke ukwu, mbe na-egosi onye aghụghọ, ejula bụ onye dị nwayọọ, ebe ọkwa bụ onye olu ya chara acha. Nchọcha Umezi bara uru maka na o mere ka ndị mmadụ mata anụ nsọ, obodo na-asọ ya na agwara anụmanụ ndị a nke rụtụrụ aka n'ihe a na-eme nchọcha na ya nke bụ iji mbụrụ metụtara nzuzu wee gbazie akparamagwa ndị ọchịchị. Ebe o si dị iche bụ na ọ na-akọwa maka anụ nsọ n'obodo dị iche iche n'Anambara.

Wee (2004) na nchọcha nke ya maka mbụrụ metụtara anụmanụ site n'ọdịbendị. Nchọpụta ya gosiri na mbụrụ metụtara anụmanụ nwere echiche dị iche iche site na nsirihụ mba dị iche iche. O ji mba Percia maa atụ ebe ọ sịrị na anụ a na-akpọ awọrọ bụ anụ na-egosi aghụghọ na nsirihụ mba ahụ. Ya bụ a sị na mmadụ bụ awọrọ, a mara na onye ahụ bụ onye aghụghọ. Nke a adịghị etu ahụ na nsirihụ mba ndị ọzọ. Ọ kọwakwara na mbụrụ anụmanụ ụfọdụ yiri onwe ha na mba dị iche iche. Iji maa atụ, nkịta bụ anụ ndị agbụrụ ọ

bụla na-ahụ dị ka anụ na-erubere onye nwe ya isi. Ya bụ a sị na mmadụ bụ nkịta ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ na-erube isi. Nchọcha a bara uru maka na o nyere aka iji ghọta ka nsara echiche ụfọdụ si dị nke rụtụrụ aka n’ihe a na-ede ebe a ma o gbochaghị mkpa nchọcha a n’ihi na nke a na-ede maka ya na-atụle mbụrụ metụtara nzuzu na etu a ga-esi jiri ha gbazie agwa ọjọọ ndị ọchịchị.

Lee (2001) na nkọwa nke ya chọpụtara etu mbụrụ si dị mkpa n’ụbụbọ. Ọ na-akọwa na mbụrụ dị nnukwu mkpa maka mkparịtaụka na kwa itinye isi ụtọ n’asụsụ dị iche iche. Na mbụ, ọ na-eme ka onye na-ekwu okwu na onye a na-agwa okwu chemie echichi ime iji ghọta ihe a na-ekwu. N’aka nke ọzọ, ọ na-etinye ndụ n’ihe enweghị ndụ na-emekwa ka ndị mmadụ na-echemi echiche ime site n’iji ihe ndị a na-ahụ anya wee ghọta ihe ndị anaghị ahụ anya. Nchọcha Lee bara uru maka na ọ na-akọwa mkpa iwebata mbụrụ n’ụbụbọ ndị mmadụ ma ọ dị iche na nke nwanchọcha na-eme maka na ọ rụtụghị aka kpọmkwem na mbụrụ metụtara nzuzu.

Na nchọcha Lakoff (1993) mere maka ịchọpụta agwara mbụrụ metụtara anụmanụ. Ọ chọpụtara na mbụrụ anụmanụ nwere agwara dị iche iche. Na mbụ, a na-eji aha anụmanụ ahụ eme nsinabe kama iji ya mee nchụta. Nke abụọ bụrụ na e nwere ike iji aha anụ ahụ wee rụga aka etu o si akpa agwa maọbụ iji ya gosi onye anaghị akpa agwa ka anụ ahụ. Ọ gara n’ihu kọwaa na ọsụ asụsụ bụ agwara anụmanụ ndị dị ya mkpa ka o ji ezipụta echiche ya n’ụbụbọ ma na-ahapụ agwara ndị ọzọ adịghị ya mkpa. Ọzọ bụ na a na-eji agwara anụmanụ atụnyere onye nwere agwara ndị ahụ maọbụ onye enweghị ha. Nchọcha Lakoff amaka maka na a ga-eji agwara anụmanụ metụtara nzuzu wee tụnyere onye nwere agwara ahụ.

N’aka nke ọzọ, Okedịadị (2003:41) ji abụ ikpe ọ kpọrọ ‘Ndị Ọchịchị’ wee kọchaa ajọ akparamagwa ndị ọchịchị. N’abụ ya, ọ na-akọcha ihe banyere usoro ọchịchị na ụdị ndị ọchịchị a na-ahụ n’ala Naịjirịa.

Ọ sịrị na:

“ Ndị ọchịchị ji ọnụ na-atọ ka mmanụ aṅụ wee na-ekwe ndị mmadụ nkwa dị iche iche, ka ha cheta nkwa ha kwere. Ihe ndị mmadụ tụrụ anya ya abụghịzi ihe ha na-ahụ n’ebe ndị ọchịchị nọ. Ndị ọchịchị ewerela ehihie mere abalị n’ihi arụ ha na-akpa. Ọ bụ nke a mere ka ego mmanụ ala anyị laa elu nke ọ bụ naanị ha na-erita uru ya. Anyị

wee bụrụ ndị ji asọ mmiri asa ahụ n'agbanyeghị na anyị nọ n'osimiri."

Okedịadị gbọrọ ihe ewu na-eri n'ihi na ọ bụ ụdị ndị ọchịchị a na-ekwu maka ha ka o gosipụtara n'abụ ya.

N'ịkwado nke a, Ọgụgụa (n.d:22) zipụtara echiche dị etu a n'abụ ọ kpọrọ "Ọchịchị Mmegbu" o mere ka amata ụdị ajọ ọnọdụ ndị mmadụ nọ n'ime ya n'aka ndị ọchịchị. Abụ ya na-akọwa etu ụmụ ogbenye si akwa akwa mgbe niile banyere ajọ ọnọdụ ndị ọchịchị mmegbu dewere ha dị ka o si kọwaa. Abụ Ọgụgụa bara uru n'ihi na o weputakwara echiche odee n'isi okwu a.

**Nchịkọta ntụleghari agụmagụ**

Na ntụleghari agụmagụ e mere, a tụlere ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu na ihe ụfọdụ ndị mmadụ kwuru na ha. Ọkpụrụkpụ okwu ndị a gụnyere: mbụrụ, nzuzu na ọchịchị. A gakwara n'ihu tụlee nchọcha e merela n'isiokwu a ya na atụtụ ndị e ji mee nchọcha nke gụnyere atụtụ ndịna ncheke na atụtụ njirimee. E si n'ihe ndị a mata na ọ dị mkpa ime nchọcha n'isiokwu a na-ede maka ya iji tinyeso ihe na amamihe dịbu n'amụmamụ ncheke n'asụsụ Igbo.

**Atụtụ Mgbakwasa Ụkwụ**

Atụtụ a ga-eji mee nchọcha a bụ nke ndịna ncheke nke Johnson na Lakoff (1980) na atụtụ njirimee nke Ludwig Wittgenstein (1953). Atụtụ ndịna ncheke nke |Johnson na Lokoff na-akọwa na tupu a mata echiche okwu ọ bụla, agaghị elefere ọrụ ụbụrụ maọbụ gburugburu na-arụ anya. Atụtụ a na-akọwa na ọ bụrụ na mmadụ enweghị ụbụrụ o buru pụta ụwa iji mụta asụsụ, ọ gaghị enyenwu ihe ọ bụla aha nwere echiche. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na e nwere agwa mmụta asụsụ mburupụtaụwa, ya bụ ngwa asụsụ agaghị arụli ọrụ. Atụtụ a na-akọwa na etu esi aghọta asụsụ na-agbado ụkwụ n'etu e si aghọta asụsụ nhụrụnuche. Ihe ọzọ atụtụ a na-akọwa bụ na mbụrụ na atụmatụokwu ndị ọzọ bụ otu ihe. Atụtụ a na-akọwakwa ka mbụrụ si arụ ọrụ site n'ịkọwa na mbụrụ na-eji otu ihe a mado n'ihe ọzọ nke n'enweghị agwara ya. Ya bụ na mbụrụ bụ otu ụzọ ọsụ asụsụ si e ji ihe nhụrụnanya na-aghọta ihe nhụrụnuche nke a hụrụ na nchọchọ a. Atụtụ a bara uru maka ọrụ ya niile ndị a.

N'aka nke ọzọ, atụtụ njirimee bụkwa atụtụ a ga-eji rụọ ọrụ na nchọcha a, na-akọwa na ọ bụ usoro nsirihụ ka o ji enye nkọwa. Ihe ọ na-akọwa bụ na echiche okwu ọ bụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme

n'asụsụ. Ihe ọ pụtara bụ na o nweghị okwu nwere echiche aka ya mana a ma na echiche nwere ọdịdị nnọrọ onwe nke na-emetụghị ọnọdụ ya n'asụsụ maọbụ n'atụmatụokwu. Atụtụ ndị a bara uru maka na ha metụtara echiche mbụrụ n'asụsụ ncheke ma rụtụkwa aka na ọ bụ ihe ndị nwere ka ha ji eme ihe dị ka atụtụ njirime si zipụta.

**Echiche Mbụrụ Metụtara Nzuzu**

Na nsirihụ ndị Igbo, e nwere ọtụtụ mbụrụ metụtara echiche ihe dị iche iche dị ka ndị metụtara amamihe, ịkpa ike, ịdọ aka na ntị na ndị na-egosi nzuzu dgz. Nke odee chọrọ izipụta ebe a bụ echiche mbụrụ metụtara nzuzu dị ka ihe nwere ike ịgbazie akparamagwa ndị ọchịchị. Ha bụ:

**Nzuzu Gbasara Oke Oriri**

Ndị Igbo na-ewe onye oke oriri dị ka onye nzuzu maka na ọ na-eji na ihe oriri jupụtara ebe ọ nọ righaa oke afọ n'aghọtaghị n'oke oriri bụ ọrịa. Na nsirihụ ndị Igbo a na-ewe agụowu ka anụ agụụ na-agụ nke ukwu, anụ afọ adịghị eju eju maka ya mgbe ọ bụla ọ na-eri oke oriri. Ya bụ, a sị na onye ọchịchị bụ agụowu, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ bụ onye oke agụụ mgbe ọ bụla nke na-ebute oke oriri. Onye ọchịchị dị etu a nwere ike ọ gaghị ama mkpa ọrụ dịịrị ya dị maka na ndị Igbo tụrụ ilu sị "Nwanza rijuo afọ ọ sị onye nwe ya bia were ya".

**Nzuzu Gbasara Anya Ukwu**

Ụdị mmadụ e nwere bara ụba. Ụfọdụ bụ ndị nwere agwa iri nke ha rie nke onye ọzọ. Ndị nwere agwa dị etu a nwere anya ukwu

Na nsirihụ ndị Igbo agwọ bụ anụ e ji nrikọta na ịmịcha amịcha were mara. Ya bụ a kpọọ onye ọchịchị agwọ, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ nwere anya ukwu ma bụrụkwa onye agaghị atụkwasịnwu obi. Ya ka ndị Igbo ji atụ ilu sị, 'agwọ eloghị ibe ya ọ gaghị ebu.' Onye ọchịchị ekwesịghị ịbụ onye anya ukwu, onye fọmfọju akpa ka ọ ghara irikọta ma nke ya ma nke ndị ọ na-achị.

**Nzuzu Gbasara Nganga**

Onye nganga maọbụ mpako bụ onye onwe ya na-atụ n'anya nke ukwu. Onye dị otu a na-enwekwa agwa nleli. Anụ e ji ịkpa nganga mara bụ torotoro na nsirihụ ndị Igbo. Ya bụ a sị na onye ọchịchị bụ torotoro, a na-ahụ onye ahụ dị ka onye onwe ya na-atụ n'anya, onye

anaghị elechata mmadụ ibe ya ihe. Nke a pụtara na onye ọchịchị ahụ nwere agwa nleli na agwa nganga. Agwa a ga-eme ka ịnụ olu ndị o na-achị siere ya ike. Ya ka e ji atụ n'ilu sị "nganga buru ụzọ, ọdịda esowe ya. Agwa a ezighị ezi maka onye ọchịchị.

**Nzuzu Gbasara Adịghị Nkọ**

Ndị Igbo na-ahụta onye anaghị atụta aro dị ka onye ụbụrụ ya adịghị nkọ. Anụ e ji ezipụta onye dị otu a bụ azụ okpo. Azụ okpo bụ azụ anaghị atọ ụtọ na nri ma ọ na-ama mma n'anya. Ya bụ a sị na onye ọchịchị bụ okpo ihe ọ pụtara bụ na ụbụrụ ya adịghị nkọ n'ịtụpụta aro a ga-eji mee ihe. N'aka nke ọzọ e nwekwara ike ịsị na onye ahụ adịghị gara gara n'ime ihe.  Anụ e ji ezipụta nke a bụ eke. Ya bụ a kpọọ onye ọchịchị eke, ihe ọ pụtara bụ ọ na-egbu oge n'ime ihe n'ọchịchị ya.

**Nzuzu Gbasara Adịghị Ọcha**

Ndị Igbo na-ahụta ezi ka anụ na-eru unyi nke ukwuu. Ọ bụrụ na onye ọchịchị agbaghị mbọ ịkwado atụmatụ adịmọcha n'obodo ọ na-achị, e nwere ike ịkpọ onye ọchịchị ahụ ezi nke pụtara na ọ maghị uru idebe obodo ọcha bara maka a na-ekwu n'okwu sị na ịdị ọcha bụ ịnọ Chukwu nso. Ọzọ bụrụkwa n' obodo nwere ezi ahụike nwekwara akụnaụba.

**Nzuzu Gbasara Enweghị Anya Ime Mmụọ**

Ndị Igbo na-ewere onye e nweghị anya ime mmụọ dị ka onye anaghị ahụ ụzọ. Anụ ndị Igbo maara dị ka anụ anaghị ahụ ụzọ bụ esu. Ya bụ e were ya tụnyere onye ọchịchị ihe ọ pụtara bụ na onye ọchịchị ahụ anaghị ahụ ụzọ na ọ na-asọ isi.

**Nzuzu Gbasara Aka Ntagide**

Na nsirihụ ndị Igbo, a sị na mmadụ nwere aka ntagide maọbụ aka ike, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ anaghị enyenwu mmadụ ihe. Anụ e ji aka ike maọbụ aka ntagide mara bụ anụ a na-akpọ ikiri. Ya bụ ọ bụrụ na akpọọ onye ọchịchị ikiri, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ nwere aka ike maọbụ aka ntagide na ọ naghị enye ndị ọ na-achị ihe ruuru ha.  A na-asịkwa na onye ahụ nwere aka chịchịchị. A gụnyekwara agwa dị otu a n'agwa nzuzu.

**Nzuzu Gbasara Mmadụ Enweghị Okwu Aka Ya**
Mmadụ kwesịrị inwe okwu aka ya. Ọ bụghị mgbe ọ bụla ka ọ ga na-ewere ihe ọ bụla e kwuru na ka e si kwuo ya. Na nsirihụ ndị Igbo, onye enweghị okwu aka ya bụ onye e nwe enwe. Anụ ndị Igbo na-ahụ ka anụ e nweghị okwu aka ha bụ atụrụ na ewu. Ya bụ mgbe ọ bụla a kpọrọ onye ọchịchị atụrụ ma ọ bụ ewu, a mara na ọ bụ onye e nwe enwe, onye enweghị okwu aka ya. Ụdị onye ahụ na-enwe onye tinyere ya n'ọchịchị nke ọ na-ewere ka nna ya na-akụrụ ya egwu ọ na-agba.

**Nzuzu Gbasara Aghụghọ**
Na nsirihụ ndị Igbo, anụ na-aghọ aghụghọ bụ mbe. Ya bụ na a sị na onye ọchịchị bụ mbe ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ bụ onye aghụghọ. Ụdị onye ọchịchị dị etu a na-eji ụzọ aghụghọ rigoro n'ọchịchị site n'ikwe nkwa ma nke ọ ga-eme ma nke ọ gaghị eme sọsọ ka ewee tụnyere n'ọchịchị. Agwa dị otu a adịghị mma.

**Nzuzu  Gbasara Nkwụgharị**
Na nsịnihu ndị Igbo, onye nkwụgharị bụ onye anaghị anọ otu ebe. Anụ e ji nkwụgharị na ịrị elu mara bụ enwe na ọsa. O nwere ike isi n'otu osisi mafee n'osisi ọzọ. Ya bụ a sị na onye ọchịchị bụ enwe maọbụ ọsa, ihe o gosiri bụ na ọ nọ n'ije na mmagharị mgbe ọ bụla nke na ndị ọ na-achị anaghị ahụnwu ya anya.

**Nzuzu Gbasara Nnwogharị Agwa**
Ndị Igbo nwere ka ha siri ahụta onye na-akwụ na njọ na akwụkwa na mma. Ya bụ onye ga-abụ o kwuo nke a taa echi okwugharịa ọzọ. Agwa dị otu a adịghị mma. Anụ e ji ụdị agwa a mara bụ ogwumagana na ụsụ. Na nsirihụ ndị Igbo, ọ bụrụ na-asị na onye ọchịchị bụ ogwumagala, ọ pụtara na onye ahụ anaghi abụ o kwuo ihe ọ kwụrụ n'ihe o kwuru. O nwere ike ikwu ọcha taa, echi o kwuo oji. Akparamagwa ndị a arụtụchara aka ebe a, ezighi ezi maka ọchịchị dị mma.

**Echiche Mbụrụ Metụtara Ezi Akparamagwa**
Etu e si nwee echiche mbụrụ metụtara nzuzu ka e si nwee nke metụtara ezi agwa agbamume. E nwere ike izipụta mbụrụ ezi akparamagwa n'ụzọ ndị a:

**Ezi Agwa Gbasara Ịkwa Nka**
Ọ bụrụ na a sị na mmadụ na-akwa nka, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ na-akpachapụ anya n'ime ihe. Na nsirihụ ndị Igbo anụ e ji ikwa nka mara bụ ududo. Ya bụ a sị na mmadụ bụ ududo, nkọwa ya bụ na onye ahụ na-akpachapụ anya n'ihe ọ na-eme. E were mbụrụ a tụnyere onye ọchịchị, mpụtara ya bụ na ọ maara ihe ọ na-eme.

**Ezi Agwa Gbasara Ịkpa Ike**
Mmadụ ịbụ odogwu n'ihe ọ na-eme bụ ihe dị mma. Na nsirihụ ndị Igbo odogwu bu onye na-akpa ike. Anụ e ji ịkpa ike mara bụ agụ. Ya bụ a sị na onye ọchịchị bụ agụ, ihe mbụrụ a pụtara bụ na ọ na-emesi ihe ike. Onye na-abagide ọrụ ma ruruo ya n'isi.

**Ezi Agwa Gbasara Ịka Aka**
N'otu aka ahụ, a sị na mmadụ kara aka, ọ na-egosikwa onye siri ike anaghị emeri emeri. Adaka bụ anụ anaghị emerinwu na mgba na nsirihụ ndị Igbo. Ya bụ a si na onye ọchịchị bụ adaka, mpụtara ya bụ na o siri ike. Ọ bụghị onye a na-akwaghar ị akwaghar ị.

**Ezi Agwa Gbasara Inwe Ndidi**
Inwe ndidi bụ ezi agwa. Na nsirihụ ndị Igbo, anụ e ji inwe ndidi na udo mara bụ nduru. A sị na mmadụ bụ nduru, ọ pụtara na onye ahụ bụ onye ndidi ma bụrụkwa onye na achọ udo. Nduru bụkwa anụ e ji ịsụ nsụ mara ma nke a adịghị mkpa ebe a. E were ya tụnyere onye ọchịchị, a mara na onye ọchịchị ahụ bụ onye ndidi na onye udo.

**Ezi Agwa Gbasara Inwe Oke Uche**
Na nsirihụ ndị Igbo, anụ nwere oke uche bụ nwa ebule akọ. Ya bụ a si na onye ọchịchị bụ nwa ebule akọ, ihe ọ pụtara bụ na ọ maara ihe nke ukwu. Oke amamihe ya ga-eme ka ọchịchi ya bụrụ ịgba.

**Agwa E Ji Ama Ezigbo Onye Ọchịchị**
Ezigbo onye ọchịchị kwesịrị ịbụ onye na-anagide mmadụ ibe ya, onye dị uchu ma nwee ọgụgụ isi. Onye nwere ike ịbagidenwu ọnọdụ ọ bụla dapụtara ebe ọ na-achị na onye na-eso ihe n'usoro kwesịrị ekwesị. Ọ bụ onye na-achọ ọdị mma ndị ọ na-achị. Ọ bụ onye nwere afọ ojuju. Ya bụ, onye anaghị erikọta ihe ya na ibe ya. Ezigbo onye ọchịchị na-adị umeala. Ọ na-enwe ọgụgụ isi na-atụta aro dị mma ma

dị garagara. Ọ bụ onye anaghị akwaghari̩ akwaghari̩. Ọ ga-bụ onye na-emesapụ aka ka ọ ga-abụ ihe e nyere ka o nye ndị ọ na-achị nwee ike iru ndị ọ na-achị aka. Ezigbo onye ọchịchị na-akwụ n'okwu ya mgbe niile. Ọ naghị abụ onye na-ekwu ire abụọ. Ọ na-ama mkpa ime ndị ọ na-achị obi ụtọ bara. Na nchịkọta ihe niile, o bụ ugegbe ndi ọ na-achị ji ahụ uzọ

**Agwa E Ji Ama Onye Ajọ Ọchịchị**

Na aka nke ọzọ, ihe e jiri mara onye ajọ ọchịchị bụ iti oke iwu, ime ndị ọ na-achị obi ọjọọ site n'egeghị ha ntị. Ọ na-erikọta ihe ndị ọ na-achị. Ọ na-ahụ onwe ya ka Chukwu maka ya, ndị ọ na-achị anaghị eru ya ihe ọbụla. Ọ na-emegbu ndị ọ na-achị emegbu. Ọ na-abụ onye na-aghari̩pụ ndị ọ na-achị ma ihe sie ike. Ndị ọchịchị dị otu a ka echiche mbụrụ nzuzu ndị ahụ na-arụgara aka.

**Nchịkọta**

Na nchọcha a bụ ntụle mbụrụ metụtara nzuzu na nsirihụ ndị Igbo: mgbazi akparamagwa dị ọchịchị, odee chọpụtara nsinebe na nchụta mbụrụ metụtara nzuzu na nsirihụ ndị Igbo.O si na ya wee tụlee ka a ga-esi were ya gbazie akparamagwa ndị ọchịchị. Ihe ndị ọ chọpụtara bụ n'ụfọdụ ndị ọchịchị bụ agụowu maka oke oriri ha, ụfọdụ bụ agwọ maka anya ukwu nke butere fọmfọju akpa na ekwesịghị ntụkwasị obi ha, ụfọdụ bụrụ torotoro maka agwa nleli̩ na mpako ha, ebe ụfọdụ bụ okpo na eke maka enweghị ụbụrụ dị nkọ na adịghị gara gara ha, ụfọdụ bụ ezi maka na gburugburu obodo ha na-achị adịghị ọcha, ụfọdụ bụrụ ikiri maka aka ntagide ha n'ebe ndị ha na-achị nọ, ụfọdụ bụ atụrụ na ewu maka e nweghị okwu aka ha n'ihi na ọ bụ onye ha jiri mere nna hagowere ha n'ọchịhị, ebe ụfọdụ bụ mbe maka na ha ji aghụghọ ghọgbuo ndị ha na-achị site n'emejupụtaghị nkwa ha kwechara tupu ha rịgoro n'ọchịchị. N'ikpeazụ ụfọdụ bụ ogwumagala maọbụ ụsụ maka na ọ bụghị ihe ha kwuru n'ụtụtụ ka ha na-ekwu na uhuruchi. Odee gakwara n'ihu iwebata echiche mbụrụ anụmanụ zipụtara ezi akparamagwa ndị gụnyere onye ochịchị ịbụ ududo maka ikwa nka ya, ịbụ agụ maka akpamike ya na ndị ọzọ. Odee zipụtakwara ezi akparamagwa na ajọ akparamagwa e ji ama onye ọchịchị

**Mmechi**

Na mmechi nwanchọcha gbalịrị imejupụta ebumnobi ya bụ iji mbụrụ metụtara nzuzu wee gbazie agwa ndị ọchịchị. Nchọcha a nyere aka iwepụta agwa anụ dị iche iche nwere ezighị ezi were ya tụnyere ajọ agwa ụfọdụ ndị na-achị achị na-akpa. Nke a dị mkpa n'ihi na mgbe onye ọchịchị nụrụ na ndị ọ na-achị bara ya aha dị aṅaa maka amaghị achị ya, ọ bụrụ onye chọrọ nchegharị, ọ ga-esi n'ụzọ dị otu a nwee mkpebi maka ịgbazigharị usoro ọchịchị ya. Ya bụ o ji akwa awụ ahụ mara onwe ya. Onye mara asụ ya sụọ n'ikwe, onye amaghị asụ ya sụọ n'ala.

**Aro**

Aro nwanchọcha na-atụ bụ na ndị mmadụ kwesịrị mgbe ọ bụla ha na-ahọpụta onye ọchịchị ka ha na-eleru anya nke ọma n'onye ha na-ahọpụta. Ka onye ha na ahọpụta bụrụ onye ama nke ọma nwere ezi agwa. Onye abụghị mmadụ kwụbara ya maka na ọ bụrụ onye mmadụ kwụbara, ọ rịgoro, o buru ego ndị ọ na-achị kwụba onye kwụbara ya n'ọchịhị. Ọ bụghị sọ nke a, ọ ga na-agbakwa egwu ọ bụla onye ahụ na-akụrụ ya ma o meghị etu ahụ nsogbu adị.

***Florence Uju Ibeh**

*Department of Igbo, African and Asian Studies,*
*Nnamdi Azikiwe University, Awka.*

## Edensibịa

Amucheazi, E. (2016). "Traditional institution leadership in Igbo land". An address presented at the inauguration of Centre for Igbo Students, University of Nigeria.

Dodo, D.D (1983). "The students as leader in making". *National Christian Magazine Catholic Life*. August/September pp 18-19.

Halupka-Resetar, S. & Radic, C. (2003). Animal names used in addressing people in Serbian. *Journal of Pragmatics* vol. 35, pp 190-199.

Lakoff, G. (1993). The contemporary theory of metaphor. N'Ortony, A. (ed.) *Metaphor and thoughts*. Cambridge: Cambridge University Press.

Lee, D. (2001). *Cognitive linguistics*: An introduction. Oxford: Oxford University Press.

Mbah, B.M & Mbah, E.E (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mgbodile, T. O. (2004). *Fundamentals in educational administration and planning*. Enugu: Magnet Business Enterprises.

Ndimele, O. M (2007). *Semantics and the frontiers of communication (2nd ed.)* Port Harcourt: University of Port Harcourt Press.

Nnaji, H. I (1995). *Modern English Igbo Dictionary*. Onitsha: Gonaj Books Publishers.

Ogugua, O. L (n.d). "Ọchịchị Mmegbu" In Ogugua, O.L Obiageli. Onitsha: University Publishing.

Okediadi, A.N (2003*). Ije Uwa*. Enugu: Fulladu P.C ISBN 978-8046-41-XPP73.

Onwudufo,F.O.F (2013). *Mmanụ e jị erị okwu* (vol 1). Nimo: Rex Charles and Patrick Publishers.

Radden, G. (1999). "How metanomy are metaphors?" Na Barcelona (Ed.) *Metaphor and Metaonying at the Crossroads*. Berlin: Mounton de Gruyter.

Saeed, J. (2013). *Semantics*. Oxford: Blackwell Publishing.

Sjostron, S. (1999). From vision to cognition: A study of metaphor and polysemy in Swedish na J. S allwood na Grandford (ọhz) *Cognitive Semantics* ihu 67-70. Arnsterdam: John Benjamins Publishing.

Ukaegbu, F.N. (2005). *The Igbos, The African root of nations*. Ibadan: Heinemann Educational Books.

Umezi, P. (2017). "Nsara echiche nye mbụrụ metụtara anụ nsọ n'Anambara Steetị". Ph.D Semịna Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Eshịa. Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.

Wee, L. (2004). *Proper names and theory of metaphors*. Cambridge: Cambridge University Press.